

# Josemaría Escrivá Dị Asọ

## Onye Bidolu Opus Dei

### EKPERE

*O Chineke, site n'aka Virgin Maria dị Ngozi, I nyere ukọchukwu gị bụ Josemaría Escrivá dị Asọ imirikiti grasịa, were họrọ ya dịka ngwa-ọrụ kwesịkarịrị ntụkwasị obi I ji bido Opus Dei, nke bu ụzọ edomasọ n'ọlụ ụbọchị na imezu ọlụ nkịtị dịịrị onye otu Kristi Mee ka m mụtakwa etu m ga-esi atụgharị ọnọdụ m nile na ihe dum nạ-eme na ndụ m ka ha bụrụ ohere m ga-esi hụ gị n'anya, na-ejere Ụka, Pope na mkpụrụobi nile ozi, n'obi añụrị na umeala, were okwukwe na ihụnanya chawapụta ụzọ nile nke ụwa. Site n'ekpere Josemaría dị Asọ meere m ihe m na arịọ gị . . . (rịọ mkpa gị ebe a). Amen.*

Nnanyi nọ n'enigwe, Ekene Maria, Otito diri Nna.

*Ebe ọ bụla mkpa gị, ọlụ gị na mmasị gị dị, n'ebe ahụ ka ị ga-ahụ Kristi. Ọ bụ n'ebe ahụ, n'etiti ihe nkịtị nile nke ụwa, k'anyị ga anọ doo onweanyị asọ, n'agakwa ozi nke Chukwu na ozi nke ọha.*

*Ndị ọkpara m na ndị ada m, elu-igwe na ụwa dịka ha zuru onwe ha n'ebe olile-anya mmadụ ruru. Ma ebe ha zuru n'ezie bụ n'ime obi unu, mgbe unu na-edo ndụ ụbọchị ọ bụla unu asọ.*

Okwu Chukwu nke Josemaría Escrivá dị Asọ, *Passionately Loving the World* (I ji obi nile fụ ụwa na anya), Oktoba 8, 1967.

A mụrụ Josemaría Escrivá dị Asọ n'obodo Bar bastro dị na Spain na Jenuarị 9, 1902. E chiri ya ukọchukwu n'obodo Saragossa na Machị 28, 1925. Na Oktoba 2, 1928, site na nkwali nke Chukwu, o bidolu Opus Dei. Ọ nwụrụ na Rome, oge a na-atụghị anya, na Juun 26, 1975, n'ọnụ ụlọ ọlụ ya. Nke a mere ozigbo o lesịrị foto Nne Anyị dị Asọ anya ikpeazụ juputara n'ịhụnanya. Na mgbe ahụ, Opus Dei agbasaalarị rue mpaghara ụwa ise, ma nwee ndị-otu gafere pụkụ iri-isii, si mba iri-asatọ. Ha ji mmọọ ịdịkọ n'otu zuru ezu dị n'etiti ha na Pope na ndị Bishop na-aga ozi Ụka, dịka nke e ji mara Josemaría dị Asọ. Nna Anyị dị Asọ bụ Pope John Paul II buniri Onye Bidolu Opus Dei n'ọkwa ndị dị asọ na Rome na Oktoba 6, 2002. A na-eri oriri ya na Juun 26 kwa afọ. Ugbu a, arụ ya na-ezu ike n'Ụlọ-ụka nke Opus Dei nke aha ya bụ Ezenwanyị nke Udo, Viale Bruno Buozzi 75, Rome.

*Ihe ndị ọzọ gbasara Josemaría Escrivá dị Asọ di na: www.opusdei.org.ng • www.josemariaescriva.info*

*A na-arịọ ndị si n'aka Josemaría Escrivá dị Asọ nweta ihe dị ha mkpa ka ha mee ka Prelature nke Opus Dei mara. Ha nọ na 35 Adeola Hopewell Street, P. O. Box 72484, Victoria Island, Lagos. E-mail: ocs@opusdei.org.ng*

*Uka Katolic kwadoro ihe nilẹ edere ebe a.*